# MGBANWE DỊ N'EMUME AKWAMOZU N'OG E UGBUA: OBODO ABAGANA DỊKA EBE NLERU ANYA

**Chioma Faustina Nwankwu**
*Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịta Ozi*
*Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka,*
*Steeti Anambra, Naịjirịa*
*sonwachy2018@gmail.com*

**Ikechukwu A. Okodo**
*Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịta Ozi*
*Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka,*
*Steeti Anambra, Naịjirịa*
*ai.okodo@unizik.edu.ng*

**Ụmịedemede**

Omenala bụ otu ihe zuru ụwa niile ọnụ, nke dị ọkpụ dị ka ndụ n'onwe ya, bụrụkwa nke n'amaliteghị taa. Ọ nọ ọnọdụ dị ka mmiri na ọbara dị n'ime ahụ mmadụ nke bụ e wepụ, ọ bụrụ ọnwụ. Omenala ndị Igbo bụ nke na-egosi etu ha si ebi ndụ nke gụnyere ejiji ha, erimeri ha, echichi nakwazi ụzọ akwamozu ha dg. Ọ bụ ya mere ndị nchọcha jiri họrọ akwamozu dị ka isiokwu nchọcha a. Nchọcha a bụ maka mgbanwe dị n'emume akwamozu n'oge ugbua. Akwamozu bụ mmemme a na-emere onye nwụrụ anwụ ma okenye ma nwata. Ọ bụ ụzọ e si eketọpụ ndị nwụrụ anwụ n'ebe ndị dị ndụ nọ. Ọ bụkwazị ụzọ e si akwanyere onye nwụrụ anwụ ugwu. N'oge ugbua, akwamozu adịghịzị ka ọ dị na mbụ, ọtụtụ ndị mmadụ na-ahụ akwamozu dị ka ụzọ e ji akpa ego nakwazi oge oriri na ngwọrị. Ugbua, ọtụtụ ndị ọgbara ọhụrụ ewerela akwamozu dị ka oge e ji ama aka ịma isi ka isi na onye ka onye n'obodo, tinyekwara oge e ji ama ndị ka jide ego n'etiti ndị mmadu nwụnahụrụ nakwazị ndị nwunye a lụbatara n'ime ezinaụlo ahụ. Ebumnobi nchọcha a bụ ịchọpụta ụzọ dị iche iche e si emefu oke mmefu oge a na-eme akwamozu, ọkachasi site n'aka ndị ụka, ụmụnna, ndị nwunye a lụbatara, dg n'ihi na ọtụtụ ezinaụlọ na-enwe ndaghachi azụ ma ha kwachaa ozu. Ndị nchọcha gbakwasara ụkwụ n'atụtụ nkọmirikọ wee mee ntụcha nchọcha a. Nchọcha a gbasoro usoro nke sọvee site n'igba ọtụtụ ndị mmadụ ajụjụ ọnụ ọkachasị ndị okenye n'ụzọ pụrụ iche. Nchọcha a ga-enye aka nke ukwuu n'agụmagụ omenala Igbo. Nchọcha a ga-abara ma kuziere ndị na-etolite etolite usoro emume akwamozu n'oge ugbua, ma mekwa ka ha mata na o nweghị uru dị n'ịma aka ha na-eme oge a na- eme emume akwamozu. Ọ ga-emekwa ka ndị nchọcha na-abawanye n'amamihe gbasara ihe ha na ede maka ya. Aro nchọcha a bụ ka ndị obodo, ndị ụka, ụmụnna hụ akwamozu dị ka oge iru ụjụ na ọ bụghị oge oriri na ngwọrị. N'aka nke ọzọ ka ndị ụka wetuo aka n'ego ha na-anata n'isi onye nwụrụ anwụ ma nri nke ha na-achọ na aka ndị na-eru ụjụ.

**Ọkpụrụkpụ okwu:** omenala, akwamozu, mgbanwe

**Ndubanye**

Igbo kwuru okwu sị na ọ bụrụ na ọnwụ adịghị akwamozu agaghị adị. Ọnwụ apụghị izere ezere ma ọ bụ ihe mmadụ apụghị ịgbanahụ. Ndị Igbo kwenyere na ọnwụ bụ nkewapụ dị n'etiti ndị dị ndụ na ndị nwụrụ anwụ. Ọnwụ amaghị oke, ọ maghị ọnọdụ onye n'obodo, ọ maghị onye ukwu nke o ji ama onye nta, ọ maghịkwanụ ma ị bụ nwoke ka ị bụ nwaanyị, ị bụ onye ụka ka ị bụ onye omenala, ị bu nwata, agbọghọbịa ma ọ bụ okorobịa. Ọnwụ bụ nnukwu ihe nke na onye ọ bịakwutere ọ na-ajụ o nwere ihe o mere. Ọnwụ emeela ọtụtụ mmadụ kwuo ajọ okwu banyere Chi kere ha. Mmadụ nwụchaa, mmemme akwamozu esote. Mmemme akwamozu n'ala Igbo nwere ọtụtụ usoro, echiche, usoro echiche nakwazi ụdị omume ha. Emume akwamozu ndị a na-egosipụta omenala ha tinyekwara akparamagwa ha nakwazi etu ha si ebi ndụ.

**Ntuleghari agụmagụ**

N'ebe a ka e mere ntụleghari agụmagụ ndị metụtara isiokwu nchọcha a. Ntuleghari agụmagụ a lebara anya na ọkpụrụkpụ okwu ndị a: omenala, ọnwụ, olili ozu na akwamozu

**Omenala**

Omenala na nghọta nke mmadụ bụ ụsoro obodo kwekọrịta ndị mmadụ ji ebi ndụ ha, nke gụnyere asụsụ ha, azụmahịa ha, akparamagwa ha, akụnaụba ha, nri ha, ekike ha, etu ha si agba egwu, alụ di na nwunye, alụ ụlọ, ụzọ ha si eli ozu nakwa ịkwa ozu tinyere alụm di na nwunye na ekpemekpe ha. Omenala bụkwa nkwekọrịta ndị obodo nke gbadoro ụkwụ etu ha si ebi ndụ. N'echiche Ọgbalụ (1987), omenala bụ nchịkọta ihe niile mmadụ mụtara n'obodo ya nke na-achị agwa ya, omume ya na nkwenye ya.
N'aka nke Mooney, Knou na Schacht (1997) omenala dịka ngụkọta ihe mere na ndụ nakwazi ahụmahụ nke ndị mmadụ. Omenala bụ nchịkọta ihe ọmụmụ, echiche, agwa, iwu nakwazị akparamagwa. N'okwu nke ya, Nwala (1985) si na, omenala bụ etu ndị Igbo si ahụta ndụ, isi echiche ha banyere ndụ, okike na ọha mmadụ. Ọ na-anabata usoro mmepe dum n'akụkụ tiori nakwazi n'omume. Ihe nke a na-akọwa bụ na omenala gbakwụnyere n'ihe niile mmadụ na-eme. Nke a mere na akwamozu bụ akụkụ na ngwugwu dị na omenala.

Lenkit (2001) n'ime Eme na Mmadike (2017:60) hụtara omenala dị ka "nchịkọta amamiihe, alo, akparamagwa na ihe aka nka dị iche iche e jiri mara mba". Ha gara n'ihu gbakwụnye na omenala bụ usoro obibi ndụ nke obodo. Usoro obibi ndụ ndị a gụunyere akparamagwa, nkwenye, erimeri, nghọta, ejiji, enwemaańụrị, ofufe, egwuregwu, akwamozu na erimụjụ dị ka ejirimara obodo ahụ. Na nghọta nke Okoye (2015:23) "omenala bụ ụzọ mba na mba ma ọ bụ agbụrụ dị iche iche si ebi ndụ ha, nke a metụtara aka n'ihe niile ha na-eme, asụsụ ha, usoro ọrụ ugbo ha, egwuregwu ha, ekpemekpe ha, na ihe ndị ọzọ obodo na-eme ma na-egosipụtakwa ya na ndụ ha.

Odumegwu (2006) dere na omenala bụ mkpokọta ihe na-eme mmadụ, ọha mmadụ ma ọ bụ ndị mmadụ dị iche. Omenala bụ ihe dị mkpa nke ịdị adị anyị. Nwala (1985) sị na omenala na-arụtụ aka na ndụ ndị Igbo nakwa etu ndị Igbo siri ghọta ọdịdị ndụ ha, ọgbọrọgbọdọ ndụ. Ọ bụ

nchịkọta ihe niile gbasara mmepe obodo n'ala igbo ma n'okwu ọnụ ma n'omume ha. Ya bụ na omenala gụnyere na onwe ya, agụgụ ala, usoro emume ịchụ aja, nnabata mmadụ n'usoro ọdịnala, agụmaakwụkwọ ha, ekpemekpe ha, na usoro mmekọrịta mmadụ na ibe ya.

N'ịkwado Nwala, Bali (1997) kwuru na omenala obodo na-egosi ụzọ ndụ ya n'ozuzu ya. Ọ na-egosi omume Izugbe nke ọha mmadụ. N'ihi ya, omenala, asụsụ, nkwenye, ụzọ ichi echiche, ụzọ ejiji bụ ha mebere omenala obodo. Omenala bụ ụkpụrụ pụrụ iche, usoro mmekọrịta mmadụ na ibe ya, ọdịnala nke omume obodo na omume onye ọ bụla, ụdị mgbanwe nke uto na nkwenye n'ime mkpokọta ọha mmadụ.

Lee (2006) na-akọwa na omenala dị ka ụyọkọ ọmụmụ mmụta nke anyị na ndị ọzọ na-ekerịta n'otu obodo, na-enye anyị mmetụta nke ịbụ onye na njirimara. N'ihi nke a, nghọta omenala na-adịwanye mkpa n'ihi oku a na-akpọ ka ya na ọtụtụ ndị si mba ọzọ na omenala ndị ọzọ na-akpakọrịta

Dabere na nkọwa ndị a nke ọtụtụ ndị ọka mmụta nyere, ọ ga-ekwe omume ikwubi na omenala na-arụtụ aka na ndụ zuru oke nke ndị bi na otu obodo. Ya bụ etu obodo siri kwekọrịta na mmasị ha na ọ ga-abụ usoro obibi ndụ ha. Dị ka Nwadike (2009) siri kọwaa, nkwekọrịta a ga-abụrụ omenala mgbe ndị niile kwekọrịtaranụ bịara na-eme ya nakwa egosipụta ya na ndụ ha. N'aka nke ọzọ, mgbe ndị obodo hapụrụ ime ihe ndị a ha kwekọrịtara ya bụ na omenala ahụ anwụọla.

## Ọnwụ

Igbo kwenyesiri ike na ndụ ma a nwụsịa. Ha kwenyere na ọnwụ bụ ajọ ifufe nke na-efesa onye ọ bụla dị mma. Ọ bụ ihe na-awụ akpata oyi n'agbanyeghi afọ ole onye ahu nwụrụ anwụ dị. Megide ndabere a, Sossou (2002) na-akọwa ọnwụ dị ka ihe omume jọgburu onwe ya nke na-agbagha nghọta mmetụta uche na nke mmụọ nke onye ọ bụla. Nwala (1984) na-akọwa ọnwụ dị ka njedebe nke anụ ahụ na mgbanwe site na ndụ a gaa n'ụwa nke ọzọ nke nwere ohere ịlọ ụwa.

Ukagba (2007) na-akọwa ọnwụ dị ka usoro nke ndụ anụ ahụ nke mmadụ na-akwụsị, gbanwee ma na-aga n'ihu n'ụdị ime mmụọ n'ụwa ọzọ.

Opata (1998) n'uche ya banyere ọnwụ, mere ka a mata na, n'etiti ọdịnala Igbo, ọnwụ bụ naanị nlọghachi n'ebe ndụ siri pụta, mana nlọghachi nke a bụ nke n'adịghị agwụ agwụ na nke doro anya. Ndị Igbo na-enwe nkwenye nke nkewa ebighị ebi. Ha na-agbasị mbọ ike n'imezu emume olili na akwamozu niile iji hụ na onye ahụ nwụrụ anwụ jeruru ebe ọ na-aga ma nwee ike ilọ ụwa n'onye ọzọ n'oge kwesịrị ekwesị. Ọ bu nke a mere ndị igbo ji ekwu na asị na nwata na-eme ka onye dị etu a.

Ogbakagu (2008) na-akọwa ọnwụ dị ka ngafe nke mmadụ site na ịdị adị nke ụwa baa n'ụwa mmụọ. Ọ na-ekwusi ike na nkwenye ndị Igbo bụ na ndị nwụrụ anwụ anaghị aga ebe ha na-aga ruo mgbe e mere emume olili ha.

N'omenala Igbo, ọnwụ bụ mgbanwe site n'ụwa anụ ahụ gaa n'ụwa ime mmụọ. Agu (2002), kwukwara na ọ bụghị njebede nke ndụ n'ihi na ndụ na-aga n'ihu na nnukwu ihe karịrị mgbe nkwụsi nke ume.

Umoh (2012) kwuru si, “ndị Igbo na-ewere ọnwụ dị ka mgbanwe site na akwa ochie gaa akwa ọhụrụ. Ọ bụ nnwogharị site na ndụ anụ ahụ gaa na ndụ ime mmụọ.

Udoh (2000) kwadoro nke a mgbe o kwuru si na ọnwụ, bụ nke ọha mmadụ na-aghọta nakwazi nke omenala na-akọwa dị ka ntaramahụhụ maka mmehie; dị ka mkpuchi (*atonement*), dị ka mmezu nke nzube Chineke, dị ka mmezu nke olilianya na obi ụtọ; na dị ka ihe omume sitere n’okike nke na ekpebi ndụ n’ụwa.

**Olili ozu**

Ili ozu bụ usoro nke ikpeazụ ebe a na-etinye ozu onye nwụrụ anwụ n’ime ala, mgbe ụfọdụ a na-etinyere onye nwụrụ anwụ ụfọdụ akụrụ ngwa. Olili ozu bụ nke a na-ahụkarị dị ka ihe na-egosi nkwanye ugwu nyere ndị nwụrụ anwụ. E jirila ili ozu gbochie isi ire ere (*decay*), na n’ọtụtụ omenala, a na-ahụta ya dị ka nzọụkwụ dị mkpa maka onye ahụ nwụrụ anwụ ịbanye n’ime ndụ mgbe a nwụsịrị. Emume olili ozu bụ ihe na-eme n’oge niile, ọtụtụ n’ime emume olili ozu ndị a nwere ntọala ha n’usoro okpukperechi na nkwenye ọdịnala ndị mmadụ.

N’ọtụtụ omenala ndị Afrịka, emume olili ozu ndị a gụnyere igbu ehi, iyi akwa iru ụjụ, ịkpụ isi na ihe ndị ọzọ. N’ide n’emume olili ozu, Taylor (1980) na-ekwu na emume olili ozu na-anọchi anya nkwenye n’ụzọ ihe atụ nke ụkpụrụ site n’okwu na omume a haziri ahazi. Site n’echiche a, anyị nwere ike ịsị na emume olili ozu na-arụ ọrụ kpọmkwem na obodo ma ọ bụ omenala e nyere.

Mbiti (1986) na-akọwa emume olili ozu dị ka ụdị edobere nke ime emume okpukpere chi. Ọ bụ ụzọ e si ekwụrịta mkpa okpukperechi, site n’okwu, akara na ime ihe.

Parsons (1977), na-ekwu na emume olili ozu bụ emume ndị ahụ a na-eme iji mee ka onye nwụrụ anwụ bata n’ala ndị nna nna n’udo. Ọ bụ emume ọdịnala e mere n’aha onye ahụ nwụrụ anwụ nke ndị ikwu ya dị ndụ mere.

**Akwamozu**

Ọtụtụ ndị ọka mmụta ndị maara ihe ekwe na-akụ banyere omenala enyela nkọwa ha banyere akwamozu n’ụzọ dị iche iche. Ọtụtụ ndị mmadụ kọwara akwamozu site n’etu ha si hụta ya n’otu uzọ ma ọ bụ ụzọ ọzọ.

Ilo (2008) kwuru na akwamozu bụ omenala izugbe nke bụ ụzọ e si egosipụta nkwenye, echiche na mmetụta nye ezinaụlọ onye nwụrụ anwụ. N’ihi nke a ka ndị Igbo ji kwuo sị na “ọ bụ ụbọchị mmadụ kwara mmadụ ka ọ kwara onwe ya.

Amamchukwu (2005) kọwara na akwamozu bụ ihe a na-emere onye ọ bụla nwụrụ anwụ iji nyere ya aka ka ọ laruo n’udo n’ebe nna nna ya nọ. O kwuru sị na akwamozu bụ mmemme ọnwụ. Ọ kọwara na ihe ndị Igbo ji eme ya bụ ka ha kwanyere onye nwụrụ anwụ ugwu nke ga-eme ka o nwee ike ruo ebe ọ na-eje .

Nwala (2005) kọwara na akwamozu bụ mmemme a na-emere onye nwụrụ anwụ ma ọgaranya ma ogbenye, ma ntorobịa ma okenye. O kwukwara na obodo ọ bụla nwere ụzọ dị iche iche ha si akwa onye nke ha nwụrụ anwụ. Ọ bụ site na mmemme a ka e ji enwe nkewapụ nke na-adị n'etiti ndị dị ndụ na ndị nwụrụ anwụ. Nke a ga-eme ka onye nwụrụ anwụ zuo ike ma nwekwa oke n'ala mmụọ.

Ekwealọr (1999) kọwara na mmemme akwamozu na-egosipụta nkwenye nke anwụghị anwụ nke na-agọnahụ eziokwu nke ọnwụ ma na-akasị ndị mmadụ nwụnahụrụ obi. Ndị ọzọ na-eru uju na-akwado ndị mmadụ nwụnahụrụ site n'ịnọnyere ha n'oge emume ahụ. Nkwado ndị a na-enyocha mmetụta uche nke ọnwụ wetara. Akwamozu bụ emume na-egosi ọnwụ mmadụ. A na-eme ya ka olili ozu ndị nwụrụ anwụ kwesịrị ekwesị.

Site n'echiche akwamozu nke ndị ọka mmụta dị iche iche kwuru, ndị nchọcha na-ekwu sị na akwamozu bụ ụzọ e si egosipụta echiche na mmetụta nye ezinaụlọ mmadụ nwụnahụrụ.

Ezeuko (1986) kwuru na "ozu pụtara onye ndụ adịkwaghị n'ime". O kwukwazịrị sị na akwamozu bụ "ugwu ikpeazụ a na-akwanyere onye nwụrụ anwụ".

Aneke (2018) kọwara na ọ dị ọtụtụ mmemme a na-eme ma mmadụ nwụọ nke ịkwa ozu bụ otu n'ime ha kacha dị mkpa. Ọ gakwara n'ihu kọwaa na mmemme izizi a na-emere onye nwụrụ anwụ bụ ịsa ya ahụ ma yibe ya uwe kwesịrị ka e yibe ya. N'ala Igbo, emume akwamozu kachasị pụta ihe, ọ na-ekpo ọkụ karịa mmemme ndị ọzọ ma bụrụ nke a ga-emerịrị n'agbanyeghị etu ọ bụla e siri mee ya.

Nwana (2005) kwuru sị na akwamozu bụ mmemme ọnwụ. Ọ kọwara na ihe ndị Igbo ji eme ya bụ ka ha kwanyere onye nwụrụ anwụ ugwu nke ga-eme ka o nwee ike ruo ebe ọ na-eje. O kwukwazịrị na akwamozu bụ mmemme a na-emere onye nwụrụ anwụ ma ọgaranya ma ogbenye, ma ntorobịa ma okenye. O kwukwara na obodo ọ bụla nwere ụzọ dị iche iche ha si akwa onye nke ha nwụrụ anwụ. Ọ bụ site na mmemme a ka e ji enwe nkewapụ nke na-adị n'etiti ndị dị ndụ na ndị nwụrụ anwụ. Nke a ga-eme ka onye nwụrụ anwụ zuo ike ma nwekwa oke n'ala mmụọ.

Eze (2010) na-ekwu na ndị Igbo maara na ọnwụ abụghị isi njedebe ndụ, ọ bụ n'ihi nke a ka e ji emere onye nwụrụ anwụ ọtụtụ mmemme. Ọ kọwapụtakwara na mmemme ndị a na-enye aka ịgbaziri onye nwụrụ anwụ ụzọ iji mee njem ya nke ọma ma nwekwa nsọpụrụ na ugwu zuru oke n'ala mmụọ. Ọ gara n'ihu kwuo na mmemme a na-emere onye nwụrụ anwụ dị ọtụtụ ma dịkwazi iche iche dị ka obodo ọ bụla si ghọta ya. Mmemme ndị a gụnyere ịsa ozu ahụ, idozi ozu, ịnọdebe ozu nakwa ịkwa ozu. Ọ kọwapụtara na ọ bụghị ụzọ e si kwaa onye chiri echichi ka e si akwa onye echighị echichi, okorobịa, agbọghọbịa maọbụ ụmụ ntakịrị.

**Nnyocha edemede nchọpụtaga**

Ọtụtụ ndị ọka mmụta emela nyocha gbasara ọnwụ na usoro akwamozu, otu n'ime ọka mmụta ndị a bụ Jimoh (1985), kọwara ọnwụ dị ka ihe na-eme mmadụ ma ndụ ebighị ebi gasia. Ọ gara n'ihu kwuo na tupu a mụọ mmadụ n'ụwa a, o mere onwe ya ka ọ pụta ihe n'ihu chi ya ịnata akara aka ya. Opata (1998) mekwara nyocha banyere ọnwụ; o kwuru na a na-anabata ọnwụ dị ka njedebe okike nke mmadụ, echiche nke a na-enweta n'uju nke ịka nka. Ekwetaghị m ya

n'ihi na ọ bụghị naanị na nka ka mmadụ na-anwụ kama mmadụ na-anwụkwazị mgbe ọ dị obere. Ọzọ dị ka ibe ya, ụfọdụ ụmụaka ọhụrụ na-anwụ n'afọ nne ha nke ndị oyibo kpọrọ ime ọpụpụ (*miscarriage*).
Dị ka Mbiti (1975: 113) si kwuo, ọnwụ na-egosi nkewapụ anụ ahụ nke mmadụ. Nke a bụ nnukwu mgbanwe, na emume akwamozu bụ n'obi ịdọrọ uche gaa na nkewa ahụ nke ga-adịgide ebighị ebi.

Site n'echiche Mbiti, ndị Igbo nakwazi ala Afrịka na-emere ndị ikwu ha nwụrụ anwụ emume akwamozu ndị a niile n'ihi na ha chọrọ igbochi iwe ndị nwụrụ anwụ ịdakwasị ha.

Parrinder (1962) mere ka a mata na mkpụrụobi onye ọ bụla nwụrụ anwụ na-agagharị n'elu ụwa nakwazị n'ala mmụọ tupu a kwaa ya. Ihe nke a pụtara bụ na akwamozu bụ ihe dị nnukwu mkpa imere onye nwụrụ anwụ. Ọ gakwara n'ihu kwuo na ọnwụ bụ ihe onye ọ bụla aghaghị izute n'ụwa.

Agụ (2015) kọwara akwamozu dị ka idu ụlọ. Ndị nchọcha na-akwado nke a n'ihi na ọtụtụ ebe n'ala Igbo, a na-etinyere onye nwụrụ anwụ ọtụtụ ihe obibi ụlọ iji nyere ya aka n'ụzọ ebe ọ bụla ọ na-aga.

Asiegbu (2011) kọwara na ndị Igbo nwere nkwenye na ndụ ma ọnwụ gasịa. Ndị Igbo na-esite n'ụzọ akwamozu kwado onye nwụrụ anwụ maka njem ọhụrụ nke ọ na-eje ibido n'ala mmụọ. Ọ bụ nke a mere na mgbe a na-eli mmadụ ndị mmadụ na-agwa onye ahụ nwụrụ anwụ okwu ụfọdụ dị ka "lekọta anyị nọ n'ụwa anya", "kwuchitere anyị ọnụ n'ala mmụọ", "chekwaba ụmụ gị nọ n'ụwa" wdg. Ihe nke a na-akọwa bụ na ndụ dị ma ọnwụ gasịa. Akwamozu na emume ya bụ ihe kachasị mma nke e nwere ike inye onye nwụrụ anwụ na ezinaụlọ ya. Ndị Igbo kwuru sị na ọ bụ ụbọchị mmadụ kwara mmadụ ka ọ kwara onwe ya.

Onye nyocha ọzọ bụ Gluckman (1937), hụrụ emume akwamozu dị ka oge e ji achịkọta ọnụ ụdị ndụ onye ahụ biri site n'ọrụ ọ rụrụ na otu o siri mee onwe ya n'oge ndụ ya. A na-egosipụta nke a site na nkwuwa okwu na ihe ngosi nke onye nwụrụ anwụ n'oge emume anya abalị ya.

Amadi (1982), gara n'ihu kwuo na Naịjirịa, a na-eme emume akwamozu na olili ya n'ebe ọ dị ukwuu. Ha na-enye ndị otu ha mmemme akwamozu dị oke ọnụ na nke sara mbara. Ha na-emefu nnukwu ego na-akwa uju (*aso ebi*), igbe ozu mara mma, nri na ihe ọṅụṅụ dị iche iche.

N'ide n'echiche nke emume akwamozu, Mkpa (2001), chọpụtara na ọ bụ ezie na ọnwụ bụ ihe zuru ụwa ọnụ, mmemme ndị metụtara ya dịgasị iche iche n'ọdịnala nakwa agbụrụ dị iche iche. N'ụfọdụ omenala dịka ndị Alakụba nke ugwu Naịjirịa, olili ozu na akwamozu ha adịghị oke ọnụ. Taa n'ala Igbo, emume olili ozu na akwamozu adịla ọnụ nke ukwuu nke mere ka ụfọdụ ndị na-etinye aka n'ihe omume ụfọdụ a na-enyo enyo, dị ka ịgwọ ọgwụ ego, ịgba akwụna maka ụmụ nwaanyị, izu ohi ka ha wee nwee ike nweta ego zuru oke maka emume akwamozu ebe ụfọdụ na-eme ya ka ha bụrụ ndị ọha ga na-anụ aha ha.

Okaba (1999) chịkọtara ya site n'ikwu na mgba kacha sie ike taa bụ ka a ga-esi nweta ego zuru oke iji kwado emume akwamozu. N'ala Igbo n'oge ugbua, ndị mmadụ na-ebite nnukwu ego ma jide nnukwu ụgwọ iji nye ndị nke ha nwụrụ anwụ ihe ha kpọrọ "akwamozu kwesịrị ekwesị".

Nke a mere Mkpa (2001), ji kwuo si na n'akụkụ ụfọdụ nke Naịjirịa, ndị mmadụ na-echegbu onwe ha maka oke ọnụ ahịa ebe ndị ọzọ na-eche maka oke ọnụ akwamozu. Ụfọdụ ezinaụlọ na-ere ihe ha nwere ka ha wee nweta ego ha chọrọ nke sitere n'aka ụmụnna, ndị obodo, ndị ụka, ndị ntorobịa tupu ha enwee ike lie onye nwụnahụlụ ha. Nke a bụ nnukwu imefu ego.

**Atụtụ nkọmịrịkọ**
Atụtụ nkọmịrịkọ bụ otu n'ime atụtụ omenala nke Carl Gustav Jung wubere n'afọ 1950. Atụtụ nke a bụ nke na-enwe mmasị n'ebe akụkọ ọdịnala, akụkọ ndụ chi dị iche iche nakwazị akụkọ okike. Atụtụ a anaghị agbado ukwụ naanị ka e si ewebata ọdịmara kama ọ na-elebanye anya n'agwa, nkwenye, nhurunuche na motiifu. Atụtụ a na-achọpụtakwa ọdịmara ihe enweghị ndụ dị ka anyanwụ, ọnwa maọbụ ihe e kere eke gbara ugboro ugboro iji nye ha mpụtara pụtara ìhè. Atụtụ nkọmịrịkọ na-akọ akụkọ gbasara mmalite ihe dị iche iche.
Atụtụ a metụtara isiokwu nchọcha a n'ụzọ dị iche iche. Nke mbụ bụ na ọ rụtụrụ aka n'akụkọ ala bụkwa nke nchọcha a na-eleba anya nke isiokwu ya bụ mgbanwe dị n'emume akwamozu n'oge ugbu a nke obodo Abagana bụ ebe nleghara anya.

N'aka nke ọzọ, atụtụ a gara n'ihu kọwapụta nkwenye ndị Igbo nwere na mmemme akwamozu na-enyere onye nwụrụ anwụ aka iji luo ebe ọ na-aga nke ọma.

Atụtụ a metụtara nchọcha a n'ihi atụtụ a webatara ọdịmara nke akwamozu nke bụ otu mmemme zuru agbụrụ ọ bụla ọnụ ma bụrụkwa nke nchọcha a na-eleba anya na ya.

**Usoro emume akwamozu**
Akwamozu agaghị adị ma ọ bụrụ na ọnwụ adịghị. Nke a pụtara na tupu e nwee omenala a bụ akwamozu e nweelarị ọnwu. Ọnwu dị ka nketọpụ a na-eketọpụ anụ ahụ na mkpụrụobi bụkwa nkwenye ndị igbo niile nke Abagana so n'ime ha. Ha kwenyere na mmadụ nwụọ na o nwere ebe ọzọ ọ na-aga ibidokwa ndụ ya n'isi. Ọ bụ site na nkwenye dị etu a ka mmemme a bụ akwamozu gbadoro ụkwụ.

Ichie Akụkarịa n'oge emume akwamozu Jerome Nwankwu n'Abagana, kwuru sị, "Akwamozu bụ mmemme nke na-eso ọnọdụ ikpeazụ. A na-ahụkarị akwamozu dị ka nzọụkwụ dị mkpa maka onye ahụ nwụrụ anwụ ịbanye na ndụ mgbe a nwụsịrị ma ọ bụ inyeghachi n'usoro nke ndụ". Akwamozu bụ oge ndị mmadụ na-agbakọta ọnụ iji kwado ndị mmadụ nwụnahụrụ na-eru ụjụ. N'Abagana, mgbe mmadu nwụrụ, a na-enwekarị ịkwa akwa nke ndị inyom, ụmụaka, ikwu na ibe tinyere ndị enyi. Ọ bụrụ na onye ahụ nwụrụ anwụ bụ nwa ọhụrụ, obere nwa nwoke ma ọ bụ obere nwa nwanyị, a na-eli ya ozugbo n'ihi na a na-ewere ụdị ọnwụ a dị ka ọnwụ ọjọọ. Mgbe nwoke ma ọ bụ nwanyị tozuru etozu nwụrụ, a na-eli ya ozigbo ma ọ bụ tinye ya n'ụlọ ntụ oyi ebe a na-echekwa ozu, ebe a ga-aga n'ihu na nhazi na nkwadobe niile dị mkpa maka akwamozu. Mbụ ezinaụlọ ya ga-ezukọ gaa n'ụlọ ụka ga nata deeti ụbọchị a ga-eli ma mekwaa emume akwamozu ya nke agaghị agafe ọnwa abụọ site n'ụbọchị onye ahụ nwụrụ. Ugbua a n'Abagana, akwamozu bụzị otu ụbọchị mana onye chọrọ imekarị otu ụbochị a ga-eje nata ikike n'aka igwe obodo.

N'Abagana dịka ọ dị n'akụkụ ndị ọzọ n'ala Igbo, a na-egosipụta ọnwụ n'aha dị iche iche ndị nne na nna na-enye ụmụ ha mgbe a mụrụ ha bụ nke na-agba akaebe na ọnwụ enweghị obi ebere. Aha ndị dị otu ahụ bụ:

Ọnwuatụegwu- *death has no fear*

Ọnwụdiwe- *death is wicked*

Ọnwụkwe- *if death agrees*

Ọnwụchekwa- death please wait

Ọnwụbiko- *death please*

Ọnwụamaeze- *death does not know a king*

Ọnwụegbule- *death, do not kill*

Ọnwụamaoke- *death knows no boundaries* dg.

Olili ozu bụ usoro nke ọnọdu ikpeazụ nke a na-etinye ozu n'ime ala. Mgbe ụfọdụ a na-eji ngwa agha were eli mmadụ ma ọ bụrụ onye anwụghị ọnwụ chi ya, a na-eme nke a iji sị onye ahu nwụrụ anwụ jee gbuo ndị ahụ gburu ya. N'obodo Abagana dị ka ọ dị n'obodo ndị ọzọ, e nwere usoro dị iche iche a na-agbaso iji hụ na emume akwamozu gara nke ọma. Usoro ndị a gụnyere:

**Ịda abanị**

Ịda abanị na-abụ obere mmemme. Ịda abanị bụ nnọkọ a na-eme tupu olili ozu na akwamozu. N'oge a na-amụ anya abalị a, ndị maara onye ahụ nwụrụ anwụ nke ọma ga-abịa meghachi omume ụfọdụ n'ime ihe ndị ọ na-eme mgbe ọ dị ndụ n'ụdị ejije. Ihe ndị ahụ e ji mara ya bụ onye ahụ nwụrụ anwụ dịka, ịmatụ, ọ bụrụ na ọ bụ onye na-azụ ahịa, onye ọrụ ugbo, onye na-akụ nkwụ, onye dinta dg., a ga-eme ihe nkiri niile dị ka o mere mgbe ọ dị ndụ. A ga-egosipụta agwa ya sitere n'ụdị okwu ya, njakịrị ọ na-ama, mmekọrịta ya na ndị mmadụ na otu o si ebi ndụ ya. Ịda abanị bụ ụzọ ndị mmadụ nwụnahụrụ si eru ụjụ. Clare (1995) kwuru na ịda abanị bu ume na ọrụ e ji eme ka ihe ụfụ nke ndị na-eru ụjụ dajụọ'.

**Ịwa ili**

N'Abagana, tupu e bido ịwa ili onye nwụrụ anwụ nwoke ma ọ bụ nwanyị, ọkpara ya ga-egosi ebe a ga-eli ya ọbụladị ma ọ bụrụ na ọ ka bụ nwata. Ọ bụrụ na nwatakịrị ahụ dị obere, onye okenye na-akwado ya site na ijide aka ya n'ọ́gx̀. Ọ ga-ewepụta otu mkpo aja ma ọ bụ abụọ n'ebe ahụ a ga-egbu ili ahụ, ndị ezinaụlọ na ndị enyi ma ọ bụ ndị wepụtara onwe ha site n'ụmụnna ga-enye aka n'igwu ili. Mgbe ha gwuchara ili, a ga-ebunye ha mmanya iji kelee ha. Ugbua, ọtụtụ ndị ntorobịa nyere aka wee gwuo ili, na-anazi ego ọrụ ha rụrụ nke na-atụziaka n'isiokwu anyị bụ mgbanwe dị n'emume akwamozu.

**Ụka akwamozu**

Ụka akwamozu bụ ụka a na-akara onye nwụrụ anwụ. Ọ na-abụ n'ụlọ ụka mana mgbe ụfọdụ ọ na-abụ na ngwuru onye ahụ nwụrụ anwụ dị ka ndị siri chọọ. N'ụtụtụ ụbọchị ahụ, ụmụ onye ahụ nwụrụ anwụ ga-aga n'ụlọ nchekwa ozu ga buru ozu onye nke ha nwụrụ anwụ. A ga-eyibe ya

uwe ọcha ma ọ bụ uwe òtù ọ nọ na ya n'ụlọ ụka ma ọ bụrụ onye na-aga ụka mgbe ọ dị ndụ. Mgbe nke a mechara, ha ga-eburu ya gaa n'ụlọ ụka ma ọ bụ na ngwuru jee kaara ya ụka akwamozu. Akam ụka na-ebidokarị n'elekere iri nke ụtụtụ. A kachaa ụka, ụkọchukwu ga-eje n'ili ahụ e gwuru gozie ya ma kpekwaa ekpere tupu a dọnye onye ahụ nwụrụ anwụ. Nwunye ya na ụmụ ya ga-ekponye aja n'ili nke na-egosi na mmadu bụ aja, aja ka mmadụ ga-alaghchi.

Mgbe e lichara onye nwụrụ anwụ, mmemme akwamozu ga-amalite. N'Abagana, ndị mbụ na ebido akwamozu bụ ndị ụka. Ha ga-abụ abụ akwamozu ma gbakwaa egwu. Mgbe ha gbachara egwu, ha anakọọ ego n'isi onwe ha nke a na-akpọ 'ego ọ bụ m ka ọ bụ gị' iji kwado ezinaụlọ ahụ mmadụ nwụnahụrụ wee tie ha aka n'obi ka ha kasie ma jisie ike. Mgbe ndị ụka kwachara ozu, ndị òtù onye ahụ nwụrụ anwụ nọ na ya n'obodo, ndị ikwu, ndị ọgọ, ndị òtù ọgbọ nakwazị ndị enyị ga-amalitekwa mmemme nke ha iji mee ka mmemme akwamozu ahụ bụrụ nke gara nke ọma n'ihi na ndị Ịgbo kwuru okwu sị "ụbọchị mmadụ kwara mmadu ka ọ kwara onwe ya".

Ugbua n'Abagana bụzị otu ụbọchị ka a na-eme emume akwamozu mana ezinaụlọ ọ bụla chọrọ ime nke ha karịa otu ụbọchị ga-eje nata ikike n'aka igwe obodo.

**Akwamozu nwanyi lụrụ di**

N'ala Igbo nke obodo Abagana gụnyere na ya, a na-ahụta ọnwụ mmadụ dị ka mmebi nke anụ ahụ na ọ bụghị mmebi nke mmụọ n'ihi na ha kwenyere na mmụọ onye ahụ ga na-anọ n'etiti ha oge niile. Ọ bụrụ na mmadu nwụọ, ihe dịịri ndị ezinaụlọ ya bụ ili ya nke ọma iji kwanyere onye ahụ nwụrụ anwụ ugwu nke ikpeazụ.

N'Abagana, nwanyị nwụọ, e nwere usoro omenala ndị a ga-agbaso iji hụ na e liri ya nke ọma ebe mkpụrụobi ya ga-ezu ike. Nwanyị lụrụ di nwere ezinaụlọ abụọ ma ọ bụ obodo abụọ nke bụ ezinaụlọ ebe a mụrụ ya na ezinaụlọ ebe a lụrụ ya. Ọ bụrụ na nwanyị anwụọ, ndị be di ya tinyere ụmụaka ya ga-eje be nna mụrụ nwanyị ahụ ga gwa ha na ahụ adịghị nwa ha nwanyị. Mgbe ha ga-eje, ha ga-eburu mmanya na ọjị anọ. Ha ruo n'ụlọ nna nwanyị bụ nwunye ha, ha agaghị ebu ihe ndị a banye na ngwuru ebe a mụrụ nwanyị ahụ kama ha ga-adọba ha n'ilo wee je gwa ndị mụrụ nwa na ahụ adịghị nwa ha nwanyị, ha ga-apụkwazi n'ilo ọzọ wee buru mmanya na ọjị ahụ batakwazie gwa ha na nwa ha nwanyị anwụọla.

Mgbe ha mechara nke a, ezinaụlọ lụrụ nwanyị ga-anọkọ ọnụ kpaa maka mgbe a ga-eli ya. Ọ bụrụ na ha ekpebie oge a ga-eli ya, ha ga-alaghachi azụ n'obodo ma ọ bụ ezinaụlọ mụrụ nwanyị mee ka ha mata ụbọchị ha kwekọrịta. Ezinaụlọ mụrụ nwanyị ga-agụpụta ihe niile ha chọrọ ka ndị ọgọ ha nye ha maka ịkwa ozu nke ha kpọrọ ozu nwa ngịga. Ihe ndị a gụnyere:

Ikenga ewu

Agbọghọ ewu

Ji iri na isii

Asatọ ọjị abụọ

Asatọ ego abụọ

Otu akwa ọmụma

Mmanụ nri

Nwunye na egbene ọkụkọ

Otu ite mmiri

Akpa aka

Otu ngiga. N'ime ngiga a, a ga-akwakọnye ọtụtụ ihe gụnyere:

Obere anyaike

Obere mma ekwu

Otu nnu

Ihe ndị a niile bụ ọdinaala ndị nke na ọ bụrụ na e meghị ya, agaghị eli ma ọ bụ kwaa ozu nwanyị ahụ. Mgbe ha mechara nke a, ndị mụrụ nwanyị ga-agakwazị n'ụlọ ebe a lụrụ nwa ha nwanyị ije mata ebe a ga-egwu ili mara ma ọ dịkwa mma.

Usoro emume akwamozu nwoke na nwanyị bụ otu, naanị ndịche dị na ya bụ na a naghị eme emume ịgba ozu ngiga maka umu nwoke.

**Mgbanwe dị n'emume akwamozu n'oge ugbua**

Akwamozu bụ otu n'ime emume zuru Igbo ọnụ ma bụrụkwa mmemme zuru ọnwa na afọ ọnụ, maka na ụwa bụ ahịa na-azụ kwa ụbọchị; ndị a na-eje eje ndị a na-ala ala.

Akwamozu bụ ùgwù ikpeazụ a na-akwanyere onye nwụrụ anwụ na emume ikpeazụ a na-emere ya iji sị ya gaa ije ya nke ọma. Nke a bụ na ụwa bụ ahịa onye zụchaa nke ya ọ laa makana o nweghị onye ga-pu ome n'ụwa. Ọbụladị ndị chere na ha na-ahụ ụzọ apụghị ịhụ mgbe ha ga-anwụ maka na ihe Chukwu zonahịrị Mmụọ ozi, ọ bụzị mmadụ pụrụ ịmata ya? Ọ bụ nke a mere na ndị Igbo ejighị akwamozu egwu egwu, ọkachasị n'oge mbụ.

Ndị ọbụla, ọbụladị ndị Awụsa na ndị ọcha na-emegbado emume akwamozu maka na anwụọ elighị eli na-ebute anwụba ebighị ebi. Ọ bụ eziokwu na ndị ọbụla na agbụrụ dị iche iche nwere etu ha si eme emume akwamozu nke ha, mana etu ọbụla e siri mee ya, ihe adịghị mgbagha bụ na a kwaala ozu.

N'oge gboo, ọ bụrụ na mmadụ nwụọ, onye ọ bụla nụrụ maka ya na hapụ ihe ọbula ọ na-eme ma gbara gaba ebe ahụ mmadụ nwụrụ. A na-ebe akwa ọkachasị ụmụ nwanyị wee besuo ozu ahụ. Ụmụ okorobịa na-amalite igwu ili ozigbo maka olili ya n'ihi na e nweghị ụlọ nchekwa ozu n'oge ahụ. Igbo kwuru sị na ozu elighị eli nọ ọnọdụ ka nsị ekpoghị ekpo. E lichaa ozu, ọ bụrụ na ọ bụ nke e nweghị ike ịkwa akwa oge ahụ n'ihi otu ihe maọbụ nke ọzọ; a ga-akànye ụbọchị a ga-akwa ya, ma zisasịara ndị nke ahụ metụtara ozi ka ha wee kwadobe, maka na ọ bụ mmadụ ka e ji àká. Ndị nwanyị a lụtara n'ogbe ahụ na-enye aka ịhụ na akwamozu ahụ gara nke ọma

site n'ịzachasị mbara, chute mmiri ma kpatakwa nkụ, ụmụ nwoke na-enyekwa aka n'igbute nkwụ na igu iji kwado maka akwamozu.

N'oge ugbua, ihe ndị a adịghịzịkwa otu ha dị na mbụ maka na amamihe kọzịrị ụkọ n'àkpà onye amamihe. Ihe niile adagharịchaala, maka na onye ghara ụzọ si ọhịa, ya na osisi ọhịa ana-alụ. Ugbua ịntaneetị anarala ọtụtụ ndị mmadụ uche nke na mmadụ nwụọ a na-ebe akwa, ụfọdụ n'ime ha ewere igwe nzikọrịta ozi ha wee na ese ihe ha ga-etinye na ịntaneetị. Ọtụtụ ndị mmadụ na-ere ala ha ma ọ bụ mee ihe ndị ọzọ dị iche iche dị ka izu ohi, ịgwọ ọgwụ ego ma ọ bụ ụmụ nwanyị ịgba na-ezi iji nweta ego a ga-eji kwa ozu. Ndị mmadụ na-amazị aka onye akwamozu ya ga-ada ụda ka aha ya na-ewu na mba niile. Ọtụtụ ụmụ nwanyị ndị a lụbatara n'ezinaụlọ na-akwa ozu jizi ya eme ihe nkiri. Ugbua, ọtụtụ ndị nwere nne na nna, ma ọ bụ ikwunaibe nọ n'akwa ọrịa na-eleghara ha anya, mana ngwangwa onye ahụ nwụrụ ha ebido nyụsịsịba ego, kutuo mkpọmkpọ ụlọ onye ahụ ma rụọ agidigba ụlọ elu ka a ga-asị na ihe dị mma na-asọ onye ahụ nsọ.

Ugbua ndị ụka, ndị obodo, ụmụnna, ụmụọkpụ na òtù dị iche iche na-achọzị iji ụtụ gbuo ndị na-akwa ozu. Igbo kwuru sị na ala adịghị mma bụ uru ndị nze. O doro anya na ndị ụka, ụmụnna na ụmụada na otu dị iche iche so etinye mmadụ anya n'oke mmefu ego n'akwamozu. Ha na-anata ndị dị ndụ na-akwa ozu ụgwọ niile onye nwụrụ anwụ ji ma gwakwa ya ụdị nrị na mmanya ha ga-edobere ha ụbọchị akwamozu ahụ. Ọtụtụ ndị mmadu na-ewezị akwamozu dị ka ebe oriri na ngọrị. Ha na-echekwubezi akwamozu echekwube ebe ha ga-eje rie nri ubọchị ahụ.

**Aro ndị nchọcha**

Ndị Igbo kwuru sị na ihe dị mma na anya gbara akwukwọ, ya bụ ka anyị werenụ uche na-ata akara maka na ihe e mere n'ejighị uche na-aghọ nzuzu n'anya onye akpa uche. Akwamozu bụ ụzọ e si asọpụrụ onye nwụrụ anwụ n'ihi na ọ bụ naanị mmadụ na-eme akwamozu. Ya mere ka anyị buru ụzọ ghọta na akwamozu abụghị oge e ji eri oriri dị ka e si eme n'oge agbamaakwụkwọ kama ọ bụ ihe anya mmiri na ihe irụ ụjụ maka na ọ bụ mmadụ nwụrụ.
Ọzọ, ka anyị gbaa mbọ hụ na anyị na-enyere onye nke anyị nọ na mkpa ma ọ bụ na-akwa ọrịa aka mgbe ọ chọrọ enyemaka ma kwụsị ịgba ego na mkpọ chere mgbe mmadụ nwụọrọ ka anyị wee malite imekasị ego, rụọrọ ya ụlọ nakwa ihe ndị ọzọ iji sị na anyị kwara onye onye ahụ nwụrụ anwụ n'ụzọ dara ụda.

**Mmechi**

Ndị nchọcha gbara mbọ nke ukwuu iji mejupụta nchọcha a etu o kwesiri. Nke mbụ ndị nchọcha mere ka ndị mmadụ mata na akwamozu abụghị oge oriri na oṅụṅụ kama ọ bụ oge ihe anya mmiri na iru ụjụ, ya bụ ka ha belata aka n'ịkwafụ ego nke ha na eme n'oge akwamozu. Nchọcha a ga-abara ọtụtụ ndị mmadụ uru tụmadị ndị na-etolite etolite ka ha mata na o nweghị uru dị n'ịma aka a na-eme n'oge akwamozu kama ọ bụ ihe nhịamahụ nyere ụfọdụ ezinaụlọ n'ihi ịnọ n'ụgwọ nke ego ha bitere maka akwamozu ụwatụwa ha.Ya bụ, ndị be anyị, ka onye ọbụla hàá nke o kwesiri ịhà ma mee nke o kwesiri ime, iji hụ na akwamozu gara nke ọma, n'abụghịkwa nke mmefusi ego, maka na a dịghị ama ụma agbasa mmiri n'okwute. Onye a

gwara kwe, a hụ ọzọ, a gwakwa ya, mana onye a gwara agwa ma ọ nụghị anụ, o mee emee, ọ hụ ahụ.

**Edensibịa**


Agu, W (2002). Funeral rites in African Culture Vis-à-vis The Christian Funeral Nacaths J.A. *Theology* (12):9-16.

Amadi, E. (2005). *Ethics in Nigeria culture*. Ibadan. Heinemann.

Bali, D.R. (1997). *Introduction to philosophy.* New Delhi: Sterling Publishers.

Beller, R. (2001). *Life, person and community in Africa. Way towards enculturation with spirituality of focalare*. Nairobi: Paulines.

Ekwealor, C.C. (2010). *Omenala na ewumewu Igbo*. Onitsha: Africana First Publishers.

Eme, C.A. na Mmadike, B.I. (2017). Asụsụ na Omenala Igbo Dị ka ụdọ Idịkọ Nootu n'oge Globalaịzashọn. N'ime *Ekwe Jọnal Vol. 4. No, 1*.

Ezeuko, R.O. (2009). *Ewumewu, omenala ofufe na nkwenye ndị Igbo*. Onitsha: Elukokwa Publishers.

Gluckman, M. (1937). Mortuary Customs and death among the south Eastern Bantu.Bantu. The judicial Process among The Barotse, Bantu Studies, 11,2,36-117.

Radzilani, M.S. (2010). Discourse analysis on performance of bereavement ritual in a Tshivenda speaking community. An African Christian and traditional African perspectives. Unpublished Doctoral Thesis, University of pretorial. South Africa.

Ilo (2008). Industrial Enterprises. Issues in third world development crisis evidence from Nigeria.(pp. 264-284).

Jimoh, S.A. (1985). Nigeria concept of death and its implications for counselling in Nigeria. *International Journal for the Advancement of Counselling.8*, 75-85.

Lee. H.W. (2006). International human resource management can be achieved through cultural studies and relevant training. *The Business Review, 5*(2),95. retrieved from ProỌuest.

Lenkeit, R.E. (2001). *Introducing cultural anthropology*. Boston: McGraw-Hill.

Mooney, Knoụ, & Schacht. (1997). *Understanding social problem*. Minneapolis:

Mbiti, J.S. (1975). *Introduction to African religion*. London: Heinemann Education Books

Mkpa, M.A.(2001). *Social and cultural systems in Nigeria*. Inc. Ofuebe CED) Dynamics of Social Studies. (PP. 105-127) Enugu: New Generation.

Nwadike, I. U. (2009). Naijiria, asụsụ, omenala na mmepe obodo. N'ime *Jọnal Mmụta Igbo*.

Nwala, U. (1985). *Igbo philosophy*. Lagos: Literamed Publications.

Odumegwu, I.H.(2006). Health as a cultural phenomenon in philosophy. Science and society: Essence-interdisciplinary, *International Journal of Concerned African Philosophers*, 3,155-161.

Ogbalụ, F.C. (1987). *Omenala maka junior sekọndịrị n'usoro nke 6-3-3-4.* Ọnịcha: University Publishing.

Ogbukagu, I.N.T.(2008). *Traditional Igbo beliefs and practices*. Enugu: Novelty Industrial Enterprises.

Okaba, B. (1999). *Change and continuities in funeral celebrations*: Evidence from

Okoye, B.D. (2015). Mgbanwe batara n'omenala ndị Igbo. Igbadịgo Magazine.

Onwuejeogwu, M.A, (1975). *The social anthropology of African: An introduction*. Ibadan: Heinemann Education Books.

Opata, D.U. (1998). *Essays on Igbo world.* Nsukka: AP Eụpress.

Parrinder, E.G. (1976). *African traditional religion*. London: Sheldon.

Parsons, T. (1977). On building social system theory: a personal history. In T. Parsons (Ed). *Social system and evolution of action theory* (pp. 22-76). New York: Free Press.

Radzilani, M.S. (2010). Discourse analysis on performance of bereavement ritual. Portharcourt paragraphics.

The Krikpe Center 14:1-13.The Main-ijo of western Niger Delta of Nigeria. In S. Okodudu(Ed). Selected through cultural studies and relevant training. *The Business Review, 5*(2),

Sossou, M.A.(2002). Widowhood Practices in West Africa: The silent victims. *International Journal of Social Welfare,11*(3), 201-209.

Tylor, E.B. (1891). *Primitive culture*. London: John Murray.

Udo, C. (2000). *Death and dying education*. Ibadan. Stirling. Hurden pub .

Ukagba, G.U. (Ed): (2007). The Kpim of death*. Essays in memory of Rev. Fr. Prof. Panteleon Iroegbu*. Canada Trafford Publishing.

Umoh, D, (2012). *Death is not natural: The African story of religion and ociety*. West Publishing Company.